FIRST TERM CONTD (USORO IHE OMUME MAKA J S 1]

BIKO BIDO EBE ANYI KWUSIRI

NDIICHE DI N'ETITI ASUSU NA UZO NDI OZO A GA-ESI ZIPUTA MBUNUCHE ONYE.

O buru na-achoghi iji onu wee gwa mmadu okwu, e nwerekwaziri uzo ndi ozo e si agwa mmadu okwu onye ahu aghota ya.E nwere ike site n'igbu n'iku , iku ogene/ekwe, ile anya, ifu oja igbu/ifu okporoko ufifi onu, igba uriom ,imi na aka sokwa , na uzo ndi ozo ga.

NJIRIMARA NA ORU ASUSU

I. Asusu na-eto eto site n'okwu mbite ha.
II. Asusu o bula nwere olumba,olu izugbe na oluonye
III. Asusu na- agbanwe agbanwe.
IV. I ga-amuta isu asusu, tupu idée ya edee.
V. Asusu na-enwe usoro na nhazi ya.
VI. O na-anabata asusu ndi ozo.
VII. O na-anwu ozigbo ndi nwe ya/ndi na-asu ya kwusiri isu ya.
VIII. O bu naani mmadu nwere onyinye isu asusu.
IX. Asusu na-akowa ebe mmadu si.

URU ASUSU BARA

Ihe o bula Igbo na-eme nwere uru o baara ha, ya bu asusu bara otutu uru n'ala Igbo nke gunyere:

a. Asusu na- enye aka n'izirita ozi.
b. Asusu na-eduzi onye na-efu efu.
c. Ejikwa asusu akowa onwe onye.
d. E ji asusu akowaputa omenaala.
e. Asusu na-enye aka n'ofufe nru.

NDI IGBO NA ASUSU HA

Ndi Igbo bu ndi bi n'owuwa anyanwu Naijiria . Akpukpo anu ahu ha na- ejikwa oji, ebe ha na-adikari ogologo n'oke naabo. Ha bukwa ndi e ji oru ugbo , oruaka, na azumaahia wee mara.A maara ha dika ndi na- agba mbo n'ebe obula ha no.

Ndi Igbo so n'otu agburu a na-anu aha ha na mba uwa nille. O nweghi mpaghara mba uwa I gaghi ahu onye Igbo ebe o na-agba mbo na-etinye uchu n'oru. Ha bukwa ndi na-anabata ndi obia nke oma. Ha bukwa ndi na-enyeritara onwe ha aka n'ihunaya. Ha kwenyere na onye o bula nwere ike ibu ihe o choro ibu site n'igba mbo ya.Mgbe ha no n'uzo ije maobu biri n'obodo ozo ha anaghi echefu ezinaulo maobu agburu ha.

Ndi Igbo bikoro onu na steeti ISE n'owuwa anyanwu Naijiria.Steeti ise ndi ahu gunyere:

ANAMBARA, ABIA, EBONYI, ENUGWU NA IMO.

Steeti ndi ozo na- asukwa Igbo ma ha nwere asusu ozo n'ime na be ha bu

DELTA NA RIVAS STEETI.

Ndi Igbo nwere mkpuru ubochi ano nke ha kporo ahia ano ndi Igbo .Ahia ano ndi ahu bu:

EKE, ORIE, AFO, NA NKWO. O bu ahia ano ndi a mebere otu izu n'ala Igbo.

EBE NDI IGBO SIRI MALITE

Ebee ka ndi Igbo si bia biri ebe ha bi taa/ugbu a.? Ajuju a siri ike oziza.

O tutu na-eche na ndi Igbo enweghi ebe ha si bia maobu na ha enweghi mmalite. Ndi ozo na-echekwa na ndi Igbo bu ndi HIBRU/IJIPT kpafuru akpafu n'oge gboo. N'ihi n'ufodu na'eche n'okwu a bu IBO/IGBO nwere ike site n'asusu ndi Hibru.

Nkowa ndi Oka mmuta na- egosi na ndi Igbo na otutu EBO di iche iche na Naijiria bu UMUNNE n'ihi omenaala ha.

Nna ndi Igbo ka kporo ERI. Isi obodo Igbo bu NRI

NDI IGBO NA NDI AGBATAOBI HA.

N'asusu ato ndi a putakariri ihe na Naijiria, ndi o bula nwere ndi ha na ha gbara agbataobi maobu ndi ha na ha na-emekorita ihe n' uzo di iche iche. Nke mere na a bia n' ala Igbo, ndi Igbo nwere ndi ha na ha bu agbataobi.

Na mpaghara UGWU:O bu ha na ndi Idioma

N'Odida anyanwu{YORUBA} :O bu ha na ndi IJO na ndi OGONI,EDO na UROBO..

N'Owuwa anyanwu{IGBO}: O bu ndi IBIBIO na EFIK.

UDAASUSU:MKPURUABICHII IGBO.

Asusu o bula nwere mkpuruedemede maobu mkpuruudaasusu e ji ede ya.O bu ya ka o jiri buru iwu na onye o bula choro imuta ka e si ede asusu o bula ga-eji buru uzo muoo ka e si ede na ka e si agu maobu ka e si akpoputa mkpuruedemede asusu ahu.

Lee usoroedide mkpuruedemede nnukwu:

A B CH D E F G GB GH GW H I I J K KP KW M N N NW NY O Ọ P R S SH T U Ụ V W Y Z.

Lee usoroedide nke obere:

A b ch d e f g gb gh gw h I I j k kp kw l m n n nw ny o o p r s sh t u u v w y z.

O bu usoro a ka e ji edezi abichii Igbo ugbu a kemgbe afo 1961.O bu O KAMMUTA S.E ONWU na ndi komitii ya weputara ya Ya mere e ji akpo ya ONWU OTOGRAFII.

Abichidii a di iri ato na isii n'onuogugu.

E kere ya uzo abuo gbara okpurukpu:MGBOCHIUME NA UDAUME.

MBOCHIUME:

E kere uda mgbochiume uzo abuo. Ha gunyere:

B CH D F G GB GH GW H J K KP KW L M N N NW NY P R S SH T V W Y Z.

Ha di iri abuo na asato n'onuogugu. E kekwara uda a uzo abuo, ha bu:

Mgbochiume mkpi na mgbochiume nge.

Mgbochiume mkpi: Ndi a bu mgbochiume ndi ahu gbara mkpi. Ha na-adi abuo abuo, nke a gunyere:

Ch gb gh gw kp kw nw ny sh .Ha di Itoolu n'onuogugu.

Mgbochiume nge/uda nkiti:Ha bu ndi a:uda mgbochiume ndi ahu di naani otu out.Lee ha

B d f g h j k l m n n p r s t v w y z.

Ha di iri na Itoolu n' onuogugu.

UDA UDAUME{UDAONU}

Udaume bu uda ndi ahu na-adi mfe na mkpoputa.Ha di asato n'onuogugu,e kekwara ha uzo abuo.,nke gunyere:

Udaume mfe na udaumearo.

UDAMFE:Nke a bu udaume ndi ahu na-enwe ntachitu mgbe a na-akpoputa ya.Ha di ano n'onuogu. Ha bu: a I o u. Aha ozo a na- akpo yabu "uda otu A "ya bu uda A na ndi a tuporo ihe n'okpuru.

UDAARO:Ha bu udaume ndi ahu na-adi esi ike na mkpota. Ha di ano n'onuogu.Aha ozo a na- akpo ya bu "uda otu E".Ha bu: Uda E na udaume ndi ahu na-ebughi ntupo n' okpuru.Ha bu ndi a: e I o u.